# Alụm Di Na Nwunye N'ọnwụ N'obeleagụ Ụmana

**Ebubechineke, Ifeyinwa B.**
**Department of Arts Eeducation, UNN**

**Chineke, Stella O.**
**Department of Arts Education, UNN**

**&**
**Onyegiri, Chikọdị D.**
**Centre for Igbo Studies, UNN**

## Ụmị

Nchọcha a lebara anya n'alụm di na nwunye n'ọnwụ n'ala Igbo, dị ka o siri gbasaa Obeleagụ Ụmana dị n'ime okpuru ọchịchị Ezeagụ, Steeti Enugwu.Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta ihe bụ alụm di na nwunye n'ọnwụ n'Obeleagụ Ụmana. Mbunuche kpọm kwem nchọcha a bụ: ịchọpụta mbaụwa ebe alụmalụ a malitere; ịchọpụta ebumnobi mbaụwa ndị ahụ kwadoro ụdị alụmalụ a; ịchọpụta ebumnobi ụmụ nwaanyị ndị banyere n'ụdị alụmalụ a; ịchọpụta ihe ndị na-ebute alụmalụ n'ọnwụ; ịchọpụta uru dị n'alụmalụ n'ọnwụ na ịchọpụta ọghọm dị n'alụmalụ n'ọnwụ.Ọ bụ nka adịm ka agbasoro mee ya.Ngwa nchọcha bụ ajụjụ ọnụ. Ndị njiri mee nchọcha bụ ndị okenye nwoke na nwaanyị mmadụ ise (5) sitere n'ọnụmara (10) nke a họọrọ site n'usoro tụm bọm tụm bọm. Ha gbasoro usoro mbunuche tụchaa njatụle. Nchọpụta zipụtara na alụm di na nwunye n'ọnwụ amaliteghi n'Obeleagụ (ala Igbo) kama ọ bụ na mba ofesi ka ọ malitere na gboo gboo; na ihe na-bute ụdị alụmalụ a dị ọtụtụ: ịnọ n'ụkọ mmadụ tụmadị ụkọ nwa nwoke, ka aha nna, ezi na ụlọ, agbụrụ ghara ichi nakwa akụ na ụba ha ghara ifu, ịhụnanya nwaanyị nwere ebe onye kwere ya nkwa ọlụlụ nọ; inweta onye ga-elekọta ezi na ụlọ ebe ndị bi na ya nọcha n'iro, imezu ihe a gbatara n'afa na ime ka nwaanyị atụghị anya ịlụ di lụzie ya.Nchọpụta gosikwara na ebumnobi mba niile (ma ala Igbo na Ofesi) nabatara ụdị alụmalụ a nwere otu mbunuche nke bụ ndọtị agbụrụ. Nchọpụta gosikwara na uru na ọghọm dịkwa n'ụdị alụmalụ a.Uru bụ na ezi na ụlọ nọbu n'ụkọ mmadụ ga-enwezi ụbara mmadụ ma nwoke ma nwaanyị nke ga-eme ka aha nna, ezi na ụlọ na agbụrụ e chere na ọ ga-efu ma ọ bụ mechie agaghịkwazi efu ma ọ bụ mechie.Ọghọm bụ

na inwe ọbara agwaraọgwa nke na-apụta ihe n'akparamaagwa ha. Ụfọdụ na-eme aka ntụtụ, ụfọdụ adaa iberibe, ebe ndị nke nwaanyị na-aghọ akwụna kwụna na ajọ ihe ndị ọzọ dị iche iche. Ma etu o sila dị, a chọpụtara na uru dị na ya karịrị ọghọm ya. Ndị ọchọcha tụnyere aro ga-enyere aka isite n'ụdị alụmalụ a zụlite ụmụ aka ndị a dị ka ọha na eze chọrọ nakwa nkwado ga-esite n'aka ndị gọvment ala anyị dị ka gọvment ndị mbaụwa siri wepụta akwụkwọ kwadoro nke ha n'ihi na alụmalụ a abụghị ihe ga-akwụsị akwụsị n'agbanyeghi na ọ na-ebute nsogbu n'ezi na ụlọ ụfọdụ nke kpalịrị mmụọ ndị nchọcha ilebanye anya na nchọcha a.

**Ọkpụrụkpụ okwu**: Alụmalụ, alụmalụ n'ọnwụ, di, nwunye, njikọ.

## Mkpọlite

### Ntọala nchọcha

Alụmalụ bụ otu ewumewu dị oke mkpa na-akwalite mmekọrịta mmadụ na ibe ya n'ala Igbo nakwa na Mba ụwa niile. Ọ bụ ihe na-enye nnukwu obi aṅụrị n'ezi na ụlọ a na-alụ di na nwunye. Ọ bụ nnukwu ihe na ndụ ndị Obeleagụ Ụmana, n'ala Igbo dum nakwa mba ofesi. Alụmalụ bụ alụm di na nwunye nke dị n'etiti nwoke na nwaanyị ma ọ bụ njikọ nwoke na nwaanyị (okenye nwaanyị ma ọ bụ agbọghọ) dị ka di na nwunye dị ka o siri dị n'omenala Igbo. Ugwoke (2004) kọwara alụmalụ dị ka njikọ nke otu nwoke na otu nwaanyị n'usoro omenala. Omenala bụ ka ndị si ebi ndụ ha ma ọ bụ eme ihe ha, nke gụnyere asụsụ, alụmalụ, erimeri, ejiji, nkwenye na ewumewu nke alụmalu bụ otu ewumewu. Abọnyị (2021) kọwara alụm di na nwunye dị ka njikọ dị n'etiti nwoke na nwaanyị nke ga-eme ka ụmụ ha mụtara bụrụ ụmụ ziri ezi ma zuokwa oke n'anya ọha na eze. Ya ka Ezeuko (2009) jiri kọwaa rị na tupu alụm di na nwunye ezuo oke, na a ga-enwerịrị njikọ n'etiti nwoke na nwaanyị nke ọha na eze nabatara. Nke a gosiri na tupu nwoke na nwaanyị abụrụ di na nwunye n'ala Igbo nakwa na mba ụwa a ga-enwerịrị njikọ ka alụmalụ ahụ na ụmụ aka ndị ga-esite nay a pụta zuo oke n'anya ọha na eze. Alụmalụ na-abụkarị nkwekọrịta dịịrị nwoke na nwaanyị, nne na nna ha, ezinụlọ ha nakwa ikwu na ibe ha.

E nwere usoro alụm di na nwunye dị iche iche. Ikels (1985) kọwara na e nwere usoro atọ n'alụm di na nwunye, nke bụ alụm di na nwunye n'usoro omenala, nke usoro ụka na nke usoro iwu ala. Alụm di na nwunye nwekwara ụdị dịkwa iche iche, nke Holt (2003) depụtara ndị gụnyere: alụm di na nwunye nke otu nwoke na

otu nwaanyị; otu nwoke na ọtụtụ ụmụ nwaanyị; ọtụtụ nwoke na otu nwaanyị; alụm di na nwunye ndị nwere otu njirimara keọha; alụm di na nwunye ndị enweghi otu njirimara keọha, alụm di na nwunye nlụgharị, alụm di na nwunye nkwekọrịta mbikọrịtaọnụ, alụm di na nwunye onyeukwu nwoke na nwunye ogbenye ọnụ ntụ, alụm di na nwunye nwoke na nwoke na alụm di na nwunye nke nwoke dị ndụ na nwaanyị nwụrụ anwụ ma ọ bụ nwoke nwụrụ anwụ na nwaanyị dị ndụ . Na nke a ka nchọcha a gbadoro ụkwụ.

Ka alụmalụ si dị ka mkpa na ndụ mmadụ, ndị ya na-agba mbọ hụ na nwoke tozuru ịlụ nwaanyị mere nke a ma ọ dị ndụ ma ọ bụ na ọ nwụrụ anwụ. N'ihi ya ka nchọcha a ji eleba anya n'isi okwu a bụ alụm di na nwunye n'ọnwụ n'Obeleagụ Ụmana, uru na ọghọm dị na ya.

Ọtụtụ mkpa nwere ike ibute alụmalụ n'ọnwụ dị ka a mụtaghị nwa, e nweghi nwa nwoke, maka ndọtị agbụrụ, maka aha ifu, onye nlekọta ezi na ụlọ mmadụ ebighi na ya, nlụchi nwaanyị dị ka e siri gbata n'afa, ịhụnanya nwaanyị nakwa ọnọdụ ọjọọ nwaanyị nọ na be nna ya. E nwere nnukwu uru n'ụdị alụmalụ a. Ma, n'agbanyeghi nnukwu uru nwere ike isi n'alụmalụ n'ọnwụ pụta, oge ụfọdụ ọghọm na-adapụtakwa na ya. Ọ bụ ihe ndị a kpalịrị mmụọ ndị nchọcha ileba anya n'ụdị alụmalụ a nakwa ịmata uru na ọghọm na-esi na ya apụta nke nwere ike imetụta ezi na ụlọ nabatara ụdị alụmalụ a tụmadị n'Obeleagụ Ụmana dị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ.

Nsogbu nchọcha a bụ na ọtụtụ ihe banyere alụmalụ ebutela nghọtahie n'ọtụtụ ezi na ụlọ nke gụnyere e nweghi nwa ma ọ bụ nwa nwoke, maka aha nna ifu na ka agbụrụ na ezi ghara ichi. Ọ dịkwa ezi na ụlọ ndị nwere mkpa dị iche iche dị ka e nweghi onye nlekọta n'ezi na ụlọ mmadụ anọghị na ya, ụmụ nwaanyị ndị ịlụ di n'oge gbanahụrụ, ụmụ nwaanyị ndị nwere ịhụnanya na nwoke kwere ha nkwa ọlụlụ dị, ịlụchi nwaanyị dị ka a gbatara n'afa. Nke a mere na ezi na ụlọ ọ bụla nwere mkpa nke ọ bụ alụm di n'ọnwụ ga-egbo jiri banye n'ụdị alụmalụ a nwechara ka ọ dị ma na-adakwa na ntị. Ọ bụ etu ụdị alụmalụ a dị aṅaa ndị ụmụ nwaanyị ụfọdụ banyere, nke ọ dịbeghi onye merela nchọcha na ya mbụ dị ka ndị nchọcha matadebere kpalịrị mmụọ ndị nchọcha ilebanye anya n'ihe ndị ahụ na-ebute ụdị alụmalụ n'ọnwụ a nke mere ka ndị Igbo na gọvment mba ofesi ụfọdụ kwadoo ya nakwa ndị Obeleagụ Ụmana dị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ.

Mbunuche izugbe nchọcha a bụ ịchọpụta ihe banyere alụm di na nwunye n'ọnwụ n'Obeleagụ Ụmana, Ezeagụ, Steeti Enugwu. Mbunuche kpọm kwem nchọcha a bụ: Ịchọpụta mbaụwa ebe alụmalụ a malitere; Ịchọpụta ebumnobi mba ndị ahụ kwadoro ụdị ọlụlụ a; Ịchọpụta ebumnobi ụmụ nwaanyị ndị banyere n'ụdị alụmalụ a; Ịchọpụta ihe ndị na-ebute alụmalụ n'ọnwụ; Ịchọpụta uru dị n'alụmalụ n'ọnwụ; Ịchọpụta ọghọm dị n'alụmalụ n'ọnwụ.

Nchọcha a ga-abara nwata nwoke, nwata nwaanyị, ndị nne na nna, gọvment, ọha na eze uru. Ọ ga-abara nwata nwoke na nwata nwaanyị uru n'ụdị na ndị ha gakwuuru ga-anabata ha nke ọma n'ihi na ọ gụrụ ha agụụ inwe nwa tụmadị nwa nwoke. Nke a ga-eme ka ha na-eleta ha anya nke ọma. Ọzọ, ha ga-erite ya uru ma ọ bụrụ na nsaanya, agụmakwụkwọ na akụ dị n'ezi na ụlọ ha na-abanye, nke pụrụ imegharị ọnọdụ ha ọ kara mma, karịa ka ọ dị mgbe ha abatabeghi n'ezi na ụlọ ahụ. Ọ bụrụ na ha ga-aga akwụkwọ, nwee nsaanya, nwee ezigbo ọganihu, nke a ga-eme ka ha ghara ịhụta onwe ha ka ndị e si ebe ọzọ kpote, ndị ekperima, ọṅụ mmanya, ose anwụrụ ike, ndị na-achụgharị nwaanyị ma ọ bụ nwoke, n'ete ime, alụ sọ ọgụ, achọ okwu, ezu ohi nakwa eme ihe ndị ọzọ ọha na eze kpọrọ asị, ndị a mụtara na mkpuke. Ụmụ ndị ahụ ga-erite ya uru, nwe mmụta, ahụ ike, afọ ojuju, ọṅụ nsaanya nakwa ezi mmekọrịta keọha. Ọ ga-abara ndị nne na nna uru n'ihi na ha ga-elezi anya nke ọma ka ha mata ezi na ụlọ ebe ha ga-ekwe ka nwa ha nwaanyị gaa lụọ di n'ọnwụ. Ọ ga-enyere ha aka ịmata ma ezi na ụlọ ahụ ọ ga-enyere nwa ha nwaanyị na ụmụ ha ga-amụta aka inwe ezi agamnihu. Ọ bụrụ na ọnọdụ nke ha ka mma karịa ebe nwa ha ga-abanye, ọ baghị uru ịkwado ụdị ọlụlụ ahụ. Ma ọ bụrụ na ezi agamnihu ga-adị n'ezi na ụlọ ahụ, nne na ụmụ agaghị ata ahụhụ nke ga-eme ka ha bụrụ ọgbatauhie nye onwe ha, ezi na ụlọ ahụ nakwa ọha na eze kwadoro ụdị alụmalụ ahụ. Ọha na eze ga-erite uru na ya site na ha ilezi anya n'alụmalụ ndị nke e merela, mata ihe ọma na ihe ọjọọ ndị ha butere nke ka ibe ya mma, ka ha aka ga na-akwado ụdị ọlụlụ dị etu ahụ. Ma, etu o sila dị, ụdị ọlụlụ a dị mma nkwado n'ihi na ihe ọghọm na-esi na ya adapụta akarịghị uru e si na ya enweta, n'ihi na ọ bụghị ụmụ niile esi n'ụzọ dị etu ahụ enweta na-ebute ihe ọghọm enye ndị ha gakwuuru. Ọ bụrụgodu sọ isi n'enweghi nwa baa n'ikpoju ha ụlọ bụ otu ihe ga-eme ka akwadosie ya ike. Mee nwaanyị e nweghi nwa/ nwa nwoke nwee ya, nwaanyị amaghị na ọ ga-alụ di mecha lụọ. Ọ bụ ihe ịkwadosi ike n'agbanyeghi ọghọm ndị ga-adapụta na ya, ebe ọ bụ na o megideghi omenala.

Nsaanya ga-enyere ụmụ aka ndị ahụ aka ịmata ikikere ha nke ga-enyekwara ha aka ịnọgide n'ụdị ọlụlụ a n'udo.

Ebe nchọcha a jedebere bụ na mmemme ọlụlụ di na nwunye n'ọnwụ na uru na ọghọm ndị so ya dị ka e si ahụta ụdị alụmalụ a n'Oeleagụ Ụmana, ala Igbo niile nakwa mbaụwa.Obeleagụ Ụmana dị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ. Ọ bụ otu n'ime ụmụ iri ndị Naa, mụrụ dị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ, Steeti Enugwu.Obobo mejupụtara Obeleagụ Ụmana bụ Ụmụagbọ, Ọmụghụ, Ọsọnụ, Ụmụeze, Agụlụ, Evụazụ, Amajị, Okpudo, Agụọba na Ugwuakụlụ. Aka ọrụ ha bụ ịkpụ ụzụ, ịzụ ahịa na ọrụ ugbo. Ha na-emekwa mmemme dị iche iche nke alụm di na nwunye so na ya.

**Ntụleharị Agụmagụ**

Ntụleharị nchọcha a ga-adị n'usoro anọ.Atụtụ nkọwa, atụtụ ntụleharị, nchọcha e merela n'isiokwu na nchịkọta ntụleharị agụmagụ.

**Atụtụ nkọwa**

**Alụmalụ**

Alụmalụ di na nwunye bụ ewumewu e guzowere site n'ụkpụrụ iwu omenala niile ziri ezi, nke dị n'etiti nwoke na nwaanyị, na-adịgide ogologo mgbe, nke ọ bụ ọnwụ na-ekewapụ ha; nke a na-emetụtakwa kpọmkwem ikikere na ọrụ dịịrị mmadụ ịrụ n'okpuru iwu maka onye ọzọ nakwa ụmụ ha Haralambos & Holborn (2013). E nwere ụdị ezi na ụlọ dị iche iche n'ọha na eze dị iche iche. Ma etu o sila dị, ụdị ezi na ụlọ kpọm kwem dị iche iche site n'otu ọha na eze ruo n'ọzọ nakwa n'etiti ọha na eze kwa. Ndị ọkachamara soshọlọjist, ji okwu a bụ alụmalụ atụnyere usoro niile e guzowere alụmalụ n'ụdị ọ bụla n'abụghị sọ ndị lụrụla di na nwunye nakwa njirimara alụmalụ. N'ihi na alụmalụ oge ụfọdụ na-ezipụta mmalite ezi na ụlọ, ụkpụrụ ndị a niile na-emetụta ụzọ ọha na eze si ebi ndụ ha. Ya ka, Ugwoke (2004) jiri kọwaa alụmalụ dị ka njikọ nke otu nwoke na otu nwaanyị n'usoro omenala. Omenala bụkwanụ ka ndị si ebi ndụ ha ma ọ bụ eme ihe ha, nke gụnyere asụsụ, alụmalụ, erimeri, ejiji, nkwenye na ewumewu nke alụmalu bụ otu ewumewu. Abọnyị (2021) n'aka nke ya, kọwara alụm di na nwunye dị ka njikọ dị n'etiti nwoke na nwaanyị nke ga-eme ka ụmụ ha mụtara bụrụ ụmụ ziri ezi ma zuokwa oke n'anya ọha na eze. Ya ka Ezeuko (2009) jiri kọwaa rị n'ọtụtụ afọ gara aga na, tupu alụm di na nwunye ezuo oke, na a ga-enweịrị njikọ n'etiti nwoke na nwaanyị nke

ọha na eze nabatara. Nke a gosiri na tupu nwoke na nwaanyị abụrụ di na nwunye n'ala Igbo nakwa na mba ụwa a ga-enweriri njikọ ka alụmalụ ahụ na ụmụ ga-esite na ya zuo oke n'anya ọha na eze. Alụmalụ na-abụkarị nkwekọrịta dịịrị nwoke na nwaanyị, nne na nna ha, ezi na ụlọ ha nakwa ikwu na ibe ha ma n'ala Igbo ma ọ bụ mbaụwa. A naghị alụ nwaanyị na mmanye.

**Alụm di na nwunye dị iche iche.**
**Holt (2003)** wepụtara alụmalụ dị iche iche.Ha bụ:
**Alụmalụ otu nwoke na otu nwaanyị (Monogamị)**
Nke a bụ ebe otu nwoke na-alụ otu nwunye

**Alụmalụ ọtụtụ ụmụ nwaanyị na otu nwoke (Polịgamị)**
Nke a bụ ebe otu nwoke na-alụ ọtụtụ ụmụ nwaanyị iji zipụta oke enwem akụ na ụba. Ha na-eme nke a maka inyere aka n'ọrụ ugbo, ka ọrụ dị mfe ọrụrụ.

**Alụmalụ otu nwoke na ọtụtụ ụmụ nwaanyị (Polịgini)**
Nke a kwa bụ ụdị alụmalụ polịgamị, ebe e nwere ụkọ nwoke, nke mere ka ọtụtụ ụmụ nwaanyị a na-alụ otu nwoke. Ịma atụ: e nwere ike bịa n'otu ezi na ụlo a mụnyere ụmụ nwaanyị ise, ha ise ga na-alụ nwoke ahụ.Ọ bụ na Ndịa mba ofesi ka a na-ahụ ụdị alụmalụ a.

**Alụmalụ dị n'etiti otu nwaanyị na ọtụtụ nwoke** (**Polịyandrị**)
Ebe a nwaanyị na-alụ ọtụtụ ụmụ nwoke. Nke a adịchaghị bara bara n'ala Igbo nakwa mbaụwa. Ebe a na-ahụkarị ụdị alụmalụ a bụ n'Eshịa n'ihi oke ụbịam na enweghi ụmụ nwaanyị nnukwu.Na Toda, Ndịa e gburu ọtụtụ ụmụ aka nwaanyị nke butere enweghi ọtụtụ ụmụ nwaanyị ịgazu ndị nwoke otu otu. Nke a mere ha jiri tụpụta usoro ebe otu nwaanyị na-alụ ụmụ nwoke niile nọ n'ezi na ụlọ ọ batara na ya. Ha sitekwazi n'ụzọ dị etu a ebelata oke ọmụmụ ụmụ.

**Alụmalụ ndị nwere otu njirimara keọha (Homogamị)**
Nke a na-eme n'US nakwa n'ala Igbo, ebe ndị nwere ego na-alụkwa nwa onye nwere ego, n'agbanyeghị afọ ole ha jiri tọ nwa ahụ.Ndị e nweghi ego kwa na-alụ ndị ogbenye ibe ha.

**Alụmalụ ndị enweghi otu njirimara keọha (Hetrogamị)**
Nke a bụ alụm di na nwunye dị n'etiti ndị ọnọdụ ha abụghị otu. Ọgaranya nwere ike lụọ nwunye sitere n'ezi na ụlọ dara ogbenye ma ọ bụ nke nwoke alụta nwaanyị sitere n'ezi na ụlọ nwere aka, n'agbanyeghikwa afọ ha jiri tọ onwe ha.

**Alụmalụ nlụgharị (Rimarej)**
Nke a bụ alụmalụ ndị lụrụla di ma ọ bụ nwunye na mbụ ma otu ihe ma ọ bụ nke ọzọ dapụta, ha gbasaa ma gaa lụgharịa onye ọzọ. Ha nwekwara ike mụtachalarị ụmụ n'alụmalụ mbụ ha. Ha nwere ike kpokota ụmụ ndị a ọnụ zụkọrịtawa ha.

**Alụmalụ mbikọrịta (kohabiteshọn)**
Nke a bụ mbikọrịta mmadụ abụọ n'otu ọnụ ụlọ ma ha alụghị dị ka di na nwunye n'ụzọ ziri ezi n'iwu na n'anya ọha na eze. Emecha, ha agbasaa

**Alụmalụ nwoke ọnọdụ ya dị oke elu na nwaanyị ọnọdụ ya dị oke Ala (Haipagamị)**
Nke a bụ alụmalụ dị n'etiti nwoke akajiakụ na nwaanyị ogbenye ọnụ ntụ.
A**lụmalụ nwoke na nwoke** (**Gee marịej**)
Nke a bụ alụmalụ dị n'etiti nwoke na nwoke dị ka a na-ahụta ya ugbu a na mbaụwa ụfọdụ.

**Alụmalụ n'ọnwụ nke otu onye nwụrụ anwụ, nke nwere ike bụrụ nwoke ma ọ bụ nwaanyị dị ndụ** (**Postu humọs/Goost marịej/Nekrogamị)**
Ọ bụ usoro alụm di na nwunye ebe otu onye nwụrụ anwụ. O nwere ike bụrụ nwaanyị nwụrụ, nke nwoke alụọ ya n'ọnwụ ma ọ bụ nwoke nwụrụ, nke nwaanyị alụọ ya n'ọnwụ.

**Alụmalụ n'ọnwụ**
Alụmalụ n'ọnwụ dị ka aha na nkọwa ya siri dị, na-adapụta mgbe nwoke emeghi ihe ọ bụla n'isi nwaanyị ọ kpọọrọ dị ka nwunye. Nwaanyị ahụ nwere ike mụtara ya nwa ma ọ bụ ụmụ, ya bụ nwaanyị anwụọ. Ọ bụ ọnọdụ ahụ na-ebute alụmalụ nwunye n'ọnwụ n'ebe nwoke nọ; n'ihi na ndị mụrụ nwaanyị ga-amanye nwoke ahụ ka o mee ihe niile a na-eme eme n'isi nwaanyị mgbe a na-alụ ya tupu e buru ozu ya lie. Nke a bụkwanụ ihe nwoke a aghaghị imezu ruo n'isi. Ọzọ dị ka ibe ya, Anikwe, (2024) kọwara na nwaanyị nwere ike tụta ime mkpuke, mụta ọtụtụ ụmụ

aka hapụ ha nwụọ. Nwoke na-achọ nwa ma ọ bụ ụmụ nwere ike gaa mee ihe e kwesiri ime maka ọlụlụ nwaanyị, n'isi nwaanyị ahụ nwụrụ anwụ. O mechaa ihe niile a tụrụ anya o kwesiri ime n'isi nwaanyị ahụ, ọ kpọrọ nwa ahụ ma ọ bụ ụmụ ndị ahụ laa be ya, n'agbanyeghi na ọ mabụghị nwaanyị ahụ, ụmụ aka ndị ahụ aghọrọzie nke nwoke ahụ.Ọ bụ nke a bụ alụmalụ nwaanyị n'ọnwụ.

Nke ọzọ bụ nke dị n'etiti nwaanyị dị ndụ na nwoke nwụrụ anwụ. Encyclopedia (2015) kọwara ya dị ka njikọ nwoke nwụrụ anwụ na nwaanyị dị ndụ dị ka di na nwunye. Alụmalụ a dị ka ọkọwa okwu Igbo-English, Ginger-Eke (2001) siri kọwaa ya, bụ ụdị alụm di na nwunye na-enwere ọnọdụ n'etiti otu onye dị ndụ na otu onye nwụrụ anwụ. Alụmalụ a bụ nwaanyị ịlụ di nwụrụ anwụ, bụ nke Ogolla (2015) kọwakwara na ọ bụ alụmalụ dị n'etiti nwaanyị dị ndụ na nwoke nwụrụ anwụ.Ya bụ na Encyclopedia, (2015); Ginger-Eke, (2001) na Ogolla, (2015) nyere ya otu nkọwa. N'ala Igbo (Obeleagụ Ụmana), dị ka omenala siri dị, a na-alụrụ nwoke nwụrụ anwụ nwunye ka a mụtara ya nwa/ụmụ ka aha ha na ezi ma ọ bụ agbụrụ ha ghara ichi (Anieke, 2024). Ọ dịkwa etu ahụ na mba ụwa maka otu ndọtị agbụrụ. Alụm di na nwunye n'ụdị ọ bụla bụ ihe a na-enwe nkwekọrịta na mmasị na ya. Nke a pụtara na, ọ bụ nwaanyị kweere n'ụdị alụmalụ a ka a na-alụbata.

Mmemme ụdị alụmalụ a na-agbasokwa otu usoro alụm di na nwunye kwesiri ịgbaso. Ọ dịghị ihe mpụrụ iche na-abata na ya n'ụdị ọ bụla, n'abụghị sọ na nwoke na-alụ nwaanyị kpọm kwem esoghi bịa na ndụ. Ma ka o sila dị, ọ ga-enwerịrị nwa nne ya ma ọ bụ nwa nna ya ga-anọ n'ọnọdụ di na-alụ nwaanyị n'ụbọchị ahụ. Mmanya nkwụ niile e kwesiri ibu, ọjị na ose ọjị, aṅara, biya, ụtaba, mmanya ọkụ na nke ọtọ bịrị bịrị, siga na ime ego n'isi nwaanyị, ime ewu nne na nna – ya bụ, usoro ahụ a na-agbaso alụ nwaanyị di ya dị ndụ n'ala Igbo ka a na-agbasokwa. A gaghị asị n'ihi na di ya anọghịzị ndụ na a ga-emebiri ya n'ụzọ. Mba! Mgbe ha mechara ihe ndị e kwesiri ime n'isi nwaanyị ahụ, ha akpọrọzie ya laa na be di ya. Ndị be di ya ga-anabata ya nke ọma dị ka nwunye ha, mere ya ihe a na-emere onye a lụtara ọhụụ. Ha ga na-enyekwa ya ugwu na nsọpụrụ ruuru ya. Mgbe ọ batara, ụmụ nne di na ụmụ nna di ya ndị ahụ ga na-anọkwa ya nso oge ahụ a lụtara ya ọhụụ ka nkụjọ ahụ ghara ime ya. Ọ bụzị ya ka ọ dịịrị ileru anya ala họrọ otu onye n'ime ụmụ nne di ma ọ bụ ụmụ nna di ya ndị ahụ, onye ọ ga-adabara ya na ya ka ha abụọ na-amụ nwa, mgbe ọ bụla ọ chọrọ nwa. Ụmụ ọ bụla ha mụtara bụ n'aha di ya ahụ nwụrụ anwụ. Ọ bụ ezi na ụlọ nwoke ahụ na-ahụ banyere alụmalụ a.

Alụmalụ a bụ alụmalụ onye ọ kara obi. Ya ka Hakim (1998) jiri kwuo na alụmalụ bụ etu o siri masị onye.

Ọtụtụ mkpa nwere ike ibute alụmalụ n'ọnwụ nke gụnyere amụtaghị nwa ma ọ bụ nwa nwoke n'ezi na ụlọ, nakwa ezi na ụlọ ebe ụmụ nwoke a mụrụ nwụchara anwụ. Ndị Igbo nwere nkwenye na ebumnobi mbụ nwoke ji alụ nwaanyị bụ ka ha mụta nwa/ụmụ. N'ihi ya, ọtụtụ ezi na ụlọ na-agba mbọ n'ụzọ dị iche iche iji hụ na ha mụtara nwa, tụmadị nwa nwoke. Ezi na ụlọ niile dị n'ala Igbo, na-abụghị ọ n'Obeleagụ Ụmana, na-agụnye nwa nwoke n'ihe karịa nwa nwaanyị n'ihi na nwa nwoke ga-anọchi ama nna ya ka ọ ghara ichi echi. Ezi na ụlọ ebe nwa/ụmụ nwoke nọ na-enwe ugwu na nsọpụrụ karịa ebe a mụrụ naanị ụmụ nwaanyị. Nke a meziri na ezi na ụlọ ebe enweghi nwa/ụmụ nwoke na-adịzị ka akpachapụrụ ha akpachapụ. Ọ bụladị di na nwunye a mụtaghị nwa nwoke na-ahụta alụmalụ ha ka ihe amịtachaghị ezi mkpụrụ. N'ihi ya, oge nwoke ka dị ndụ, ọ na-alụta nwaanyị ọzọ ịmata ka ọ ga-esite n'aka ya nweta nwa nwoke. Ma ọ bụrụ na nwoke ahụ nọchaa ndụ nwụọ ghara ịmụta nwa nwoke ga-anọchị anya ya, nke otu ọzaa Anieke (2024) kpọrọ Ọnọchie, Eziechila ma ọ bụ Ahamefụla, ọnọdụ a ga-eme ka ndị ezi na ụlọ ya tụọ aro ịga lụta nwunye n'aha nwoke ahụ nwụrụ anwụ. Nke a bụ iji mee ka aha, ama na agbụrụ ya ghara ifu ma ọ bụ chie. Obinigwe nwere ike isite n'aka nwaanyị a zitere ha nwa nwoke. Ọ bụ nwata nwoke a ga-anọchịzị anya nna ya n'ihe niile. A ga- enyefekwa ya ala niile, osisi, nkwụ na ihe enwemenwe niile nwoke a nwere. Ha niile ga-abụzi nke nwata dị otu a. Site n'ụzọ a, aha nwoke ahụ abụrụla ihe agaghịzị efu efu. Ọzọkwa, iji mekwa ka aha di ma ọ bụ nwa ghara ifu, nwaanyị di ya nwụrụ, nwere ike ịlụtara nwa ya ahụ nwụrụ anwụ nwunye ka aha di na akụ ya dum ghara ifu nakwa ka ezi ha na agbụrụ ha gharakwa ịghọ mkpọ mkpọ ebe. Chukwu nye aka, nwaanyị a lụtara nwere ike ịmụtara nwaanyị a nwa/ụmụ ọ ga-eji na-echeta di ya ma ọ bụ nwa/ụmụ ya ndị ahụ nwụrụ anwụ, Anieke (2024) kpọkwara ya 'a hụ nwa echeta nna.' Nke a ga-emekwa ka oruwere nwoke ahụ na nwa/ụmụ nwoke ya ahụ nwụrụ anwụ bịara ha, n'ihi na aha ha efughizi. Nne ahụ n'onwe ya na-enwekwa ọṅụ, n'ihi na ọ hụla onye ga-anọchịkwu anya ya onwe ya ma a sigodu na ọ nwụọ.

Ọnọdụ ọzọ nwere ike ịkpata ọlụlụ di n'ọnwụ bụ mkpa onye nlekọta ezi na ụlọ. E nwere ezi na ụlọ nwere ihe nkụta nke ukwuu. Ya bụ ha nwere ọtụtụ ala, osisi, nkwụ, anụmanụ, ugbo, ọkụkọ, ewu, mkpụrụ osisi dị iche iche nakwa ụlọ ma o

nweghi onye bi na ya n'abụghị so ngwere na oke n'ihi na ọ bụ naanị ụmụ nwaanyị ka a mụnyere n'ezi na ụlọ dị etu a. Ha niile bịakwa lụọ dị, e leghi anya nne na nna ha anọghịzịkwa ndụ. Ọ dighịzị onye ga-elekọtara ha ezi na ụlọ ha. Ụmụ nwaanyị ndị a nwere ike kpebie ka ha jiri aha nna ha nwụrụ anwụ lụta nwunye ma ọ bụ aha nwa nne ha nwoke nwụrụ anwụ lụta nwunye.

Ụmụ nwaanyị na-anabatakarị ụdị alụmalụ a bụ ndị tụụrụ ime mkpuke,ndị amachaghị ihe, ndị achọghị ịnọ n'okpuru nwoke chọrọ ibi ndụ enweghi onye na-etiri ha iwu nakwa ndị agụghị akwụkwọ. Ma nke a abụchaghị eziokwu. Dị ka na mba ofesi ebe ụdị ọlụlụ a malitere, ndị banyeere n'ụdị ọlụlụ a bụ ụmụ nwaanyị maara ihe depụụrụ onye isiala akwụkwọ arịrịọ ka a hapụ ha ka ha lụọ ndị soja ọ bụ ya na ha, ndị nwụrụ n'ihu ọgụ ka aha ha na akụ ha ghara ifu. Nke a ka ndị isiala kwenyere, kwadoo ma wepụtakwa 'atịkl 171 sivul kood'kwadosiri ha ike, iji mee ka alụmalụ a nwee ugwu n'anya ọha na eze (Hasting, 1958; Abọnyị, 2021).Ọ bụ naanị n'ala Igbo ka ana-ahụta ụdị ọlụlụ a ka nke ndị amaghị ihe na-alụ. Ụdị alụmalụ a na-emekwa ka ezi na ụlọ mmadụ kọrọ ụkọ nwezie ọtụtụ ụmụ n'ihi na ụfọdụ n'ime ụmụ nwaanyị ndị a tụrụ ime mkpuke a na-alụbata bụ ndị mụtarala ọtụtụ ụmụ na be nna ha. Ya bụ na ụfọdụ na-ekuru ụmụ ruru ise ma ọ bụ isii ma nwoke ma nwaanyị ha (ma ọ bụrụ ndị anaghị anabata ụmụ a mụtara na mkpuke) lakwuru ndị ahụ nabatara ha na ụmụ ha.

Kaosiladị, ọ bụrụ nwaanyị amụtabeghi nwa ka a lụbatara n'ụdị ezi na ụlọ a, o nwekwara ike mụtara ha nwa nwoke ga-anọchi obi ahụ, nke Anieke (2024) kpọkwara Obiechila/Amaefula. Mgbe a lụbatara nwaanyị dị otu a, ihe niile ezi na ụlọ a nwere, ala, ewu, ọkụkụ, nkwụ, mkpụrụ osisi nakwa ihe ndị ọzọga ka a ga-ahanyezi ya n'aka. Site n'ụzọ dị otu a, ihe niile ezi na ụlọ ahụ nwere agaghị efu tụmadị ma ọ bụrụ na anya ruru nwaanyị ahụ ala.

Oge ụfọdụ, alụmdi n'ọnwụ na-adapụtakwa mgbe nwa okorobịa na nwa agbọghọbịa kwekọrịtara ịlụ onwe ha, ma ọnwụ abịa gbuo ya nke nwoke tupu ha alụọ ma ọ bụ na a malitela ime ihe ma ọ bụ na ọ dịlarị ime. N'ihi nke a, ndị ezi na ụlọ nwata nwoke ahụ nwụrụ anwụ nwere ike gaa lụbata nwaanyị ahụ ọ bụ ya na ya ka ọ mụtawa nwa n'aha nwoke ahụ. Ụdị ọlụlụ a na- abụ iji gosipụta ịhụnanya nwaanyị a nwere n'ebe onye ahụ nwụrụ anwụ nọ tupu ọnwụ egbuo ya. Ọ bụkwa etu a ka ndị nchọcha chọpụtara na ọtụtụ ụmụ nwaanyị lụrụ ụdị di a na mba ofesi

bụ ịhụnanya ka ha jiri lụọ ndị soja ndị ahụ nwụrụ anwụ, ma kwee kwa na ha ga-anọ ma ha mụta otu nwa gharazie ịmụtakwa ọzọ, letakwa akụ na ụba ha anya ka ha ghara ịlara onye ọzọ.

Ọnọdụ ọjọọ nwekwara ike soro butere ụmụ nwaanyị ịlụ ụdị alụmalụ a. Ngwu, (2024) kọwara na mgbe nwaanyị alụghị di ma nọrọkwa n'ọnọdụ ọjọọ nke ahụghị ihe o riri, ọ na-ekwere ụdị ọlụlụ ahụ ka o nweta ihe oriri nke ụbọchị n'ihi na ọ nọrị n'ajọ ọnọdụ n'enweghi di ma ugbu a o nweela di ma sikwa n'ọnọdụ ọjọọ pụọ. Ọzọ, Igbokwe (2024) kọwara na afa kwuo ka alụchiere onye nwụrụ anwụ nwunye maka na ndị ụmụ nna ya ụfọdụ tọọrọ nwunye ya refue maka na ọ bụ nwa ogbenye enweghi onye na-ekwuru ya. Nke mere ka ndị niile aka ha dị na ntọọ ahụ nwụcha n'enweghi onye nọ n'ezi na ụlọ ha. Ebe afa gbara naanị ma alụchiere nwoke ahụ nwunye ọzọ n'agbanyeghi na ọ nwụọla na mmadụ agaghị anọ n'ezi ndị ahụ rere mmadụ; ha gara alụrịrị nwaanyị n'ọnwụ ka nsogbu ahụ laa n'ezi na ụlọ ndị tọọrọ mmadụ refuo.

N'ezie, e nwere nnukwu uru n'ụdị alụmalụ a nke na-eme ka ezi na ụlọ mmadụ kọrọ ụkọ nwezie ọtụtụ mmadụ n'ihi na ụfọdụ n'ime ụmụ nwaanyị ndị a tụrụ ime mkpuke a na-alụbata bụ ndị mụtarala ọtụtụ ụmụ na be nna ha; ụfọdụ na-ekuru ụmụ ruru ise ma ọ bụ isii lakwuru ndị ahụ nabatara ha na ụmụ ha. N'agbanyeghi nnukwu uru nwere ike isi n'alụmalụ n'ọnwụ pụta, oge ụfọdụ ọtụtụ ọghọm na-adapụtakwa na ya. Ụmụ aka ndị ahụ, a lụbatara ha na nne ha ma ndị ụmụ nwaanyị ma ndị ụmụ nwoke ha anaghị ebu otu ọbara n'ihi na ọ bụghị otu nwoke tụrụ nne ha ime ha. N'ihi na ha bu ọbara agwara ọgwa, omume ha anaghịkwa abụ otu. Ọ naghị eyite omume ndị ha bịara na be ha nakwa omume ha onwe ha. Omume ha nwere ike ịbụ ihe ọgbata uhie nye ịhụnanya, udo na ezi mmekọrịta nke ezi na ụlọ ndị a.Ụfọdụ ha nwere ike ịbụ ohi, ọfọgori, ndị na-ese anwụrụ ike, ndị na-aṅụ mkpụrụ mmiri, ndị na-achọ okwu, alụ sọ ọgụ, nke nwere ike butere ezi na ụlọ ndị a nsogbu na ajọ aha. A bịa n'ụmụ nwaanyị ha, n'ihi na ha ga na-ele nne ha anya etu ụmụ nwoke si na-abịakwute ya, ha nwekwara ike isi etu a mụta iso nwoke. Nke a nwere ike ime ka ha tụta ime mkpuke etu nne ha siri tụta mụọ ha na mkpuke. Ọghọm niile ndị a bụ ihe e nweghi nna n'ezi na ụlọ nwere ike ibute.

O nwere ihe anya nna na-arụ n'ezi na ụlọ ọ bụla n'agbanyeghi ka nna ahụ adịla. N'ezi na ụlọ e nweghi nna, akparamagwa ụmụ aka nọ ebe ahụ anaghị adịcha mma naanị ma o nwere otu e si duru onye nke ahụ gaa mba ọzọ ebe e nwere anya nna nakwa onye aka siri ike n'ịzụlite ya.Ọ bụghị etu ahụ, ụmụ aka ndị a na-ebi ndụ ka anụ ọhịa ma laa n'iyi maka e nweghi nna. N'ihi nke a, Nwachukwu (1995) kọwara na nwa nwoke azụlitere enweghi nna na-enwe nsogbu nchekwawa maka mmata onwe. N'ezie anya anaghị eru ha ala, isi anaghị adị ha n'ụlọ, ụkwụ ha na-adịkarị n'iro, ha anaghị enwe ezi mmekọrịta nke ọha tọrọ atọ (antịsoshal), mmasị, udo na ọṅụ anaghị adị n'ime ha nke mkpa ha ji abụkwanụ maka agụmakwụkwọ. Ọ bụ ụdị ọnọdụ ntọala ha nọ na ya tinyere ha na ya, nke oge ụfọdụ ahụ ntakasị na mgbakasị omume na-apụta ihe na ndụ ha. Nke a mere ka Okeri (2005) jiri kọwapụta na ọnọdụ a oge ụfọdụ na-ebutere ndị nwoke mgbakasị omume, agwa dị aṅaa, ajọ nrịa nrịa nakwa isi nghasa. Mgbe ọ dị etu a, ha anaghị ama ikikere ha dị ka ụmụ afọ Naịjirịa, ọ dịghịkwanụ onye mere ka ha ghọta n'ihi na nne ha agụghị akwụkwọ tinyere na nsaanya adịghị n'ezi na ụlọ ha sitere nakwa na nke ha banyere. Ọ bụrụ ihe obi ilu dịịrị ụmụ aka dị otu a n'ihi na ha amataghị ikikere ha dị ka nwata nwoke ma ọ bụ nwata nwaanyị, dị ka ọ dị na ndepụta UNDP (1995), nke na-akọwapụta na ihe kpatara na udo adịghị n'ụwa bụ na puku nde ụmụ aka e nweghi ezi ntọala ha na mmụta. Na e kwesiri ka ma nwata nwoke ma nwata nwaanyị nwee ma mata nka n'ụdị na kempunụụdị mmụta, n'ihi na ọ ga-akwalite ọnọdụ ezi na ụlọ, ha enwe ezi nghọta ma mekwa ka ezigbo udo dịkwa n'ụlọ ha. Ọ bụkwa site n'obere udo e nwegasịrị n'ezi na ụlọ dị iche iche ka udo ga-esi gbasaa na mba ụwa. Nke a mere mmụta ji dị oke mkpa na ndụ onye ọ bụla bụ mmadụ, e ji kwuo na 'mmụta bụ ike.' E nwee mmụta na nsaanya, ọtụtụ ọghọm so ụdị ọlụlụ a agaghị adapụtacha.Ma etu o sila dị, uru dị n'ụdị alụmalụ a karịkwarị ọghọm ya.

**Mmalite ọlụlụ di na nwunye n'ọnwụ**

Alụmalụ n'ọnwụ abụghị ihe dị bara bara. Ịnụ na mmadụ mere ihe n'isi onye nwụrụ anwụ bụ ihe njuanya. Alụmalụ a abụghị ọ lọrọ ọhụrụ. Ọ bụ ihe malitere na mba ofesi na gbo gbo. Ka e lebaa mba ndị ahụ anya n'otu n'otu. Na mba **Chaịna**, na Han daịnastị ka alụmalụ a malitere n'afọ 206BC-220 AD. Ha kpọrọ ya '**Minighum**,'pụtara goost marịej na Bekee. Ọ bụ mgbe ụmụ nwaanyị Chaịna ole ma ole degaara ndị gọvment Chaịna akwụkwọ rịọ ka ha lụọ di ndị soja ha hụrụ n'anya nwụrụ anwụ n'agha, ka ọ fọdụrụ izu ole na ole ka ha lụọ onwe ha. Ọ bụ ọnọdụ a nyere ụdị alụmalụ a aha a bụ 'alụm di na nwunye n'ọnwụ' bụ 'poost

humọs'/ goost marịej ma ọ bụ 'nekrogamị' na Bekee .' Ma na mgbe ahụ ọlụlụ a e nwebeghi nkwagide iwu. Ọ bụ n'afọ 1804, ka a nọrọ n'Urop nyee ụmụ nwaanyị ikikere ịlụ ndị soja ndị ha na ha kwekọrịtara ịlụ onwe ha, nke abịaghị na mmezu tupu ha nwụọ. Na Chaịna kwa, ọ bụ ezi okwu na ha kwadosiri ụdị ọlụlụ a ike, kama na nwaanyị ahụ bata, mụcha nwa ahụ o bu n'afọ n'ihi na ụmụ nwaanyị ụfọdụ na-adịrị ndị soja enyi ha ime, ha enye ya iwu ka ọ ghara ịmụta nwa ọzọ; ka ọ nọrọ letawa nke ahụ ọ mụrụ anya na ndụ ya niile. Ha na-eji obi ọcha ekwere ka ha nwee ike ịnapụta oruwere soja ahụ. Ma ka ụbọchị na-aga,a hapụzịrị ha ka ha mụrụ gawa dị ka ha chọrọ. N'ikpeazụ, ndị nkịtị mmadụ abụọ alụbeghị dị ka di na nwunye tupu nke nwoke anwụọ nwee ike lụọ.www.instagram.com

Na **Jaaman**, kwa a na-ahapụ ka ụmụ nwaanyị ndị ha na ndị soja kwekọrịtara ịlụ, dịịrị ha ime ka ha gaa n'ihu lụọ ndị soja ndị ahụ. Gọvment ala ahụ na-akwado ha nke ukwu site n'inye ụmụ nwaanyị ndị ahụ dị ime ego isi ha, nakwa oruwere ndị soja ndị ahụ iji mee ka ọlụlụ na ụmụ ha bụrụ ihe ziri ezi n'anya ọha na eze (Abọnyị, 2021). Ha jiri nwunye Franz Kutschera onye Nọweji malite atụmatụ a (whu.org pl/2015).

A bịa na **Frans**, ọlụlụ a malitere n'afọ 1950 mgbe mgbidi mgbochi mmiri gbajiri gbuo mmadụ narị anọ na Freju Frans nke gụnyere otu soja aha ya bụ Andre Lapra, onye chọrọ ịlụ Irene Jodart.Ya mere ka, Irene Jodart rịọ onye isiala Frans bụ Charles de Gaulle ka ọ hapụ ya ka ọ gaa n'ihu lụọ Andre Lapra n'ọnwụ.Charles nabatara arịrịọ a, nke mere ka alụmalụ a bụrụ ihe emejupụtara. Ọ bụ ọnọdụ a mere ka 'ọgbakọ omebe iwu ndị Frans jiri depụta iwu kwadoro alụmalụ n'ọnwụ n'ala ahụ.Ụlọ ọgbakọ a gakwara n'ihu wepụta akwụkwọ nkwekọrịta bụ 'atịkul 171 nke sivul kood kwadoro ụdị alụmalụ a (Hasting, 1958). Nke a bụ iji mee ka alụmalụ ahụ bụrụ ihe ziri ezi n'anya ọha na eze (Abọnyị, 2021) nakwa nwa ahụ nna ya nwụrụ. Malitezie na mgbe ahụ alụmalụ a bụrụzie ihe onye ọ masịrị na-abanye na Frans n'enweghi nkụja ma ọ bụrụhala na a ga-eweta ihe osiarị (Libèration, 2023).

Na **Saụt Sụdan**, omenala bụ na nwaanyị ọ bụla nwoke kwere nkwa ọlụlụ, ma nwoke ahụ nwụọ na-emeghi ihe n'isi ya, nwa nne ya nwoke ga-alụwazi nwaanyị ahụ mụtawa nwa n'aha nwa nne ya nwoke ahụ nwụrụ anwụ. Ụmụ nwaanyị na-ekwenye n'ụdị ọlụlụ a kwa iji mee ka aha nwoke ahụ nakwa akụ na ụba ya ghara ifu.

Na **Saụt Korịa**, n'afọ 1983, Heung Jin Moon nwere ihe mberede nke ọgba tụm tụm na NụụYọk nwụọ. Tupu ọnwụ ya, ya na Ballerina Jụlịa Pak ekpebiela ịlụ onwe ha.Nna Heung bụ onyeisi ụka ha bụ Ynifikeshọn.Dị ka na nkwenye ha, na ọ bụ naanị ndị e jikọrọ ka di na nwunye nwere ikikere inweta ọnọdụ kachasị elu n'eluigwe. Nke a mere ka Moon bụ onyeisi okpukpere a jikọo nwa ya nwụrụ anwụ na Ballerina dị ka di na nwunye na Febuwarị, afọ 1984 (Beverly, 2004; Isikoff, 2020).

Na Saụt Korịa kwa, Gadsden Times, (1982) kwupụtara na n'afọ 1982, Duk Koo Kim oti ọkpọ ndị Korịa nwụrụ ma e jikọrọ ya na LeeYon mi onye dịịrị ya ime ọnwa atọ dị ka di na nwunye. Akwụkwọ a kọwakwara na Lee kwetara na ya ga-anọrọ onwe amụtaghị nwa ọzọ ndụ ya niile ma ọ bụrụhala na a ga-ekwe ya zụlitere Duk nwa ahụ.

Na Saụt Afrịka, a kụrụ na Telegraaf, (2004) na otu nwoke na nwaanyị ọ chọrọ ịlụ nwere obere nghọtahie.Ọ gbagbue nwaanyị ahụ ma gbagbukwa onwe ya. Ma n'ihi na ndị Afrịka kwenyere na ọnwụ abụghị isi njedebe ndụ (Okeke, 2015), e jikọrọ ha abụọ ọnụ dị ka di na nwunye.

Na Okinawa Japaan, ndị nọbụ n'okpuru Chaịna nwere ọlụlụ a ka omenala. Ha na-eme nke a iji hazịzie ụkpụrụ iwu banyere ntọgbọ mkpụrụ ọgwụ ndị mmụọ a na-atọgbọ. Ha sịrị na ọ bụrụ na e mebie ụkpụrụ iwu ahụ, na mkpụrụ ọgwụ ndị mmụọ ahụ a na-atọgbọgharị etu ọ bụla ga-apụ gaa n'ezigbo ọnọdụ ya nke a ga-emekwara ya ezigbo mmemme site na ntụzị aka onye ezemmụọ. E nwekwara ọtụtụ mba ndị ọzọ nabatakwara ụdị ọlụlụ a dị ka Ndịa, Badagas, Komatis na Todas ndị ọzọ (Hasting, 1958), www.instagram.com

**Atụtụ Mmụgharị**

**Atụtụ Nhọrọ**

Nhọrọ bụ ịchọ inwe mmasị n'otu onye ma ọ bụ ihe ọzọ, karịa onye ma ọ bụ ihe ọzọ. Nhọrọ bụ njirimara ndị ahịa ụfọdụ chọrọ ngwa ahịa iji gboo mkpa ha etu o si masị ha. Mkpa ha ahụ nwere ike bụrụ aṅụrị, afọ ojuju na ihe ndị ọzọ baara ha uru na ndụ nke e mepụtara.Nhọrọ na-emetụta onye ahịa nke ukwu mgbe ọ chọrọ inwee mmasị n'otu ihe karịa nke ọzọ.Atụtụ nhọrọ metụtara ọtụtụ ihe n'ọgbọdọrọgbọ ọ bụladị n'alụmalụ. Atụtụ nhọrọ na nchọcha a bụ mgbe nwaanyị

họọrọ ụdị ọlụlụ ka ya mma n'ime ọtụtụ ọlụlụ dị iche iche e nwere.Onye wepụtara atụtụ a bụ sosholọjist onye Britein bụ Catherine Hakim n'afọ (1998).Ebumnobi ya bụ ịkọwapụta maka ihe na-amasịnwa ụmụ nwaanyị dị ka o si metụta ụdị ọrụ ha chọrọ ịrụ ma ọ bụ ihe gbasara alụmalụ na ụdị di ha chọrọ ịlụ. O lebara anya n'ọlụlụ, ntọala ọchịchọ akparamagwa nke mmadụ dị ka e si achọpụta ma mapụta oke na ole ihe mmadụ nwere mmasị na ya karịa ihe ndị ọzọ; nakwa etu e si emebe mkpebi maka ime nhọrọ.Atụtụ a bụ iji kọwaa ndị iche dịgasị n'akparamagwa ụmụ nwaanyị dị ka o siri gbasa arụmọrụ a na-akwụ ha ụgwọ nakwa alụmalụ ha.Ebumnobi atụtụ a bụ ikwenye ma gosipụta na ụmụ nwaanyị nwere ike kpachara anya mebe nhọrọ masịrị ha maka ebimndụ ha onwe ha maka onye ọ bụla maara ihe dịrị ya mma. Dị ka o siri gbasa ọrụ a, atụtụ a gosiri etu ụmụ nwaanyị siri nwee mmasị họrọ ịlụ di ha matara na ọ dịghịzị ndụ.Ọ bụ mmasị mere ha jiri họrọ ụdị alụmalụ ahụ. Ya ka Hakim (1998) jiri si na alụmalụ bụ etu o si masị onye n'ihi na, ọ bụghị etu otu onye siri hụta alụmalụ ka onye ọzọ siri ahụ ya. Atụtụ a dabara na nchọcha a bụ alụmalụ di na nwunye n'ọnwụ. Ụmụ nwaanyị lụrụ ụdị di a nwere mmasị na ya, nke mere ha jiri họrọ ya maka na ha hụrụ ndị dị ndụ mgbe ha jiri kwenye ịbụ nwunye ndị nwụrụ anwụ.

**Nchọcha e merela n'isiokwu**

Nchọcha e merela n'isiokwu a bụ alụmalụ n'ọnwụ a dịghị ọtụtụ.Ọ hịara ndị nchọcha ahụ nke ukwu n'ihi na ọ dịghị nchọcha e merela n'alụmalụ n'ọnwụ ma n'Asụsụ Bekee ma n'Asụsụ Igbo. N'ihi ya, ndị nchọcha zutere nnukwu nsogbu na ya. Ole ha hụrụ gbadokarịrị ụkwụ n'agụmagụ, nzimozi na intanet.

**Nchịkọta ntụlegharị agụmagụ**

N'ịchịkọta ọrụ niile a tụlere na ntụlegharị ihe ndị ọzọ merela, ọ dịghị nchọcha e merela na ya ma n'Asụsụ Bekee ma n'Asụsụ Igbo. N'ihi ya, ndị nchọcha zutere nnukwu nhịaahụ na ya. Ole ma ole ha hụrụ gbadokarịrị ụkwụ n'agụmagụ, nzimozi na intanet.

**Usoro Nchọcha**

Ndị nchọcha lebara anya n'usoro nchọcha ha ji mee ntụcha nchọcha a. Nka nchọcha ndị nchọcha gbasoro mee nchọcha bụ usoro adịm. Ebe a nọ mee ya bụ na Obeleagụ Ụmana dị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ, na Steeti Enugwu.Ndị e ji mee nchọcha a bụ mmadụ (5) sitere n'ọnụmara iri. Usoro nsere bụ usoro tụm bọm tụm

bọm ka e ji họrọ mmadụ 5 sitere n'ọnụmara iri,nke e seere sitekwa n'usoro ebumnobi.Ngwa nchọcha bụ ajụjụ ọnụ.Ha jikwa ntanet na mmensonye dị ka ndị nọ n'ezi na ụlọ ebe e nwere ụdị alụmalụ a. Ndị ọkacha mara mmadụ atọ nọ na ngalaba Mmụta na Nka na otu onye sitere na ngalaba Sayensi Mmụta nke Mahadum Naijiriịa, Nsụka lebara anya na ya ma nyocha ma kwado na ha adịla mma.Ọ bụ ndụmọdụ ha nyere, nke ndị nchọcha gbasoro mere ọrụ a jiri dị n'ụdị ọ dị ugbu a.

**Usoro nkọwasị data/njatụle**

Ndị nchọcha gbasoro mbunuche nchọcha tụchaa aziza sitere na mbunuche isii mmalite na mbunuche mbụ ruo na mbunuche ikpeazụ.

**Nchọpụta**

**Mbunuche nke mbụ:** Ịchọpụta mbaụwa alụmalụ n'ọnwụ malitere.

Alụmalụ n'ọnwụ abụghị ihe malitere ọhụrụ, nke o ji amalitekwanụ n'ala Igbo. Alụmalụ a malitere na mba ofesi bụ Chaịna, na daịnastị Han n'afọ 206 BC-220AD. Na Chaịna, ha kpọrọ ụdị alụmalụ a 'minighum' nke pụtara goost mariej na Bekee. Alụmalụ a malitere n'ebe ahụ oge ụmụ nwaanyị Chaịna ole na ole ndị ha ndị soja kwekọrịtara ịlụ onwe ha mana nke a abịaghị na mmezu n'ihi na ndị soja ndị ahụ nwụrụ n'ihu agha. Ụmụ nwaanyị ndị a o metụtara depụrụ ndị gọvment Chaịna akwụkwọ arịrịọ ka a hapụ ha ka ha lụọ ndị soja ndị ahụ n'ọnwụ, n'ihi na ha hụrụ ha n'anya; ụfọdụ n'ime ụmụ nwaanyị ndị a adịrịlara ụfọdụ ndị soja ahụ ime. Ndị gọvment Chaịna nabatara arịrịọ ụmụ nwaanyị ndị a rịọrọ. Ha lụzie ndị soja ndị ahụ n'ọnwụ. Ọ bụ ọnọdụ a nyere ọlụlụ a aha bụ 'alụmalụ n'ọnwụ nke pụtara na Bekee 'poost mariej, goost mariej ma ọ bụ nekrogamị.' Mgbe a nabatara arịrịọ ụmụ nwaanyị ndị a, e nwebeghi iwu kwadoro ụdị ọlụlụ a. Ma iji gosi nkwagidesike ha, ha wepụtara iwu nkwadosike n'afọ 1804 na mba Urop nyee ụmụ nwaanyị. Sitezie mgbe ahụ, nwaanyị ọ bụla chọrọ ịbanye ụdị alụmalụ a na-abanye n'enweghi nkụja ma ọ bụrụhala na onye ahụ wetara ihe osiarị na ha na soja ahụ ma ọ bụ nwoke ahụ kwekọrịtara ọlụlụ tupu ọnwụ egbuo ya www.instagram.com. O ruo n'afọ 1950, na Freju Frans mgbe mgbidi mgbochi mmiri gbajiri dagbuo mmadụ narị anọ, nke otu soja aha ya bụ Andre Lapra so na ya, onye chọrọ ịlụ Irene Jodart. Irene Jodart rịọkwara onyeisi ala bụ Charles De Gaulle ka ọ hapụ ya ka ya gaa n'ihu lụọ onye soja a n'ọnwụ.Nke a ka onyeisi ala nabatara. Ọnọdụ a dị ka Hasting (1958) mere ka amata, mere ka ọgbakọ omebe iwu wepụta akwụkwọ nkwekọrịta bụ 'atịkụl 171

nke sivul kood nyere ikikere ma kwadoo ụdị alụmalụ a na Frans iji me ka alụmalụ a na ụmụ sitere nay a bụrụ ihe ziri ezi n'anya ọha na eze (Abọnyị, 2021). Ọ bụ nkwadosike gọvment Chaịna na nke Frans nyere ụdị alụmalụ a mere ka mbaụwa ndị ọzọ nabata ya n'ala ha.Mba dị ka Jamaan, Saụt Sụdan, Saụt Koriạ, Saụt Afrịka, Japaan, Ndịa, Badagas. Komatis, Todas na ndị ọzọ (Hasting, 1958).

**Mbunuche nke abụọ:** Ịchọpụta ebumnobi mbaụwa ndị nabatara ụdị alụmalụa. Ndị Igbo na ndị mba ofesi nabatara ụdị ọlụlụ a nwere otu ebumnobi. Ebumnobi ha bụ: ndọtị agbụrụ na ịmụta onye nnọchị anya nna ka ezi na aha ghara ichi (Anieke,2024); nlekọta akụ na ụba, nnweta oruwere, ime ka ọlụlụ na ụmụ sitere n'alụmalụ ahụ zie ezi n'anya ọha na eze (Abọnyị,2021), iwepụ nleda anya, ihere alụghị di na nkwenye na ọnwụ abụghị isi njedebe ndụ ( Okeke, 2015). Ihe ndị a mere ka ụdị ọlụlụ a dịzie bara bara na Frans. Mbaụwa ndị a gakwara n'ihu wepụta akwụkwọ nkwadosike nke gbara ụmụ nwaanyị ume ma nyekwa mba ndị ọzọ obi ike ịnabata ụdị ọlụlụ a na be ha. Ọ bụ naanị na Saụt Koriạ ka ebumnobi ha dabeere n'okpukpere ha, nke bụ na ọ bụ naanị ndị lụrụ di ma ọ bụ nwunye ga-eketa ezi ọnọdụ dị elu n'eluigwe. Ya mere ka onye isi okpukpere ahụ bụ 'Ụka Unifikeshọn'jiri jikọọ nwa ya nwoke nwụrụ anwụ na nwaanyị ọ chọrọ ịlụ tupu ọnwụ egbuo ya (Beverly, 2004; Isikoff, 2020).

**Mbunuche nke atọ: Ịchọpụta ebumnobi ụmụ nwaanyị ndị na-abanye n'ụdị ọlụlụ a**

Ebumnobi ụmụ nwaanyị na-abanye n'ụdị ọlụlụ a na-agbadokarị ụkwụ na mmetụta n'ahụ na ịhụnanya nwaanyị ahụ nwere n'ebe onye nwụrụ nọ. Otu nwaanyị a gbara ajụjụ ọnụ maka ebumnobi ụmụ nwaanyị ndị a na-alụ ụdị ọlụlụ a Ugwu (2024) kwuru na ọ bụ ha cheta etu ha sibu anọrị mgbe nwoke ahụ ka dị ndụ, ha enwe mmetụta n'ahụ nke nwere ike ịkpalị mmụọ ha inwe mkpebi ka ha lụọ ha agbanyeghi na ha anwụọla. Nke ọzọ, bụ na ụfọdụ n'ime ụmụ nwaanyị ndị a na-adịrị ime nke ha achọghị itekwo. Ha ekpebizie ịlụzi nwoke ahụ ka o nwezie onye ga-anọchị ya, zakwa aha ya ma ketakwa oruwere nwoke ahụ nke agaghịzi ifu n'ihi ọlụlụ nwaanyị ahụ kpebiri lụwa ya nakwa iji nwa ahụ na-echeta nwoke ahụ. Ọzọkwa bụ dị ka Ugwu (2024) kwukwara na ụfọdụ na-abanye ya zawa nwaanyị lụrụ di karịa ịnọrọ be nna ha karịe bụrụ 'oke ibiriachị'. Ọ gakwara n'ihu kwuo na ụfọdụ ụmụ nwaanyị kwa, na-abanye ka ha bụrụ ndị nche na nchi onwe. O nweghi

nwoke ga na –etiri ha iwu mee nke a ma ọ bụ emela nke ọzọ, ndị chọrọ ibi ndụ etu o siri masị ha.

**Mbunuche nke anọ:** Ịchọpụta ihe na**-e**bute e ji alụ ụdị di na nwunye a.
Ihe na-akpata ụdị ọlụlụ a dị ọtụtụ.Nke mbụ bụ maka ndị e nweghi nwa tụmadị nwa nwoke, ha na-aga alụrụ ndị mụrụla nwa/ụmụ na be nna ha. Ma ọ bụ gaa mee ihe n'isi nwaanyị nke mụrụla ụmụ na be nna ha ma na ha nwụrụ kposa ụmụ ndị ahụ, nke onye enweghi nwa gara mee ihe n'isi nne ha kporo ha laa be ya. Ha sitezie etu ahụ ghọrọ ụmụ onye ahụ zawazie Ọnọchie, Ahụnwaechetanna, Obiefula, Ogbonna, Amaechila, Ahamefula, Obiechila ma ọ bụ Eziechila (Anieke, 2024). O kwuru na oge ụfọdụ ọ bụrụ ndị mụtarala ọtụtụ ụmụ na be nna ha nke nwoke na nwaanyị nọ na ya ka ha gara lụta n'ihi na ndị be nna nwaanyị anaghị enwe nwa/ụmụ a mụrụ na mkpuke. Ndị OỤ anaghị enwe ụmụ amụrụ na mkpuke ma ha ga-eje lụta ndị amụrụ na mkpuke na nne ha. Ụsa ha bụ na nke ha ga-ala be onye mụrụ ha n'ọdịnihu ma ndị so nne ha bịa agaghịzi ala. Ya bụ na ọ bụ n'ihi ụkọ nwa nwoke, onye ga-anọchị aha nna ya ma ọ bụ obi nna ya ka e ji alụtara ha nwunye n'ọnwụ. N'otu aka ahụkwa ka ndị a mụrụ naanị ụmụ nwaanyị na-alụtakwara nna ha ma ọ bụ nwa nne ha nwoke nwụrụ anwụ nwunye ka ọ mụtara ha nwa ma ọ bụ ụmụ nwoke ga-anọchị nna ma ọ bụ nwa nne ha nwụrụ anwụ. Ọzọ kwa, nne otu nwa nwoke ya nwụrụ na-agakwa alụtara nwa ya ahụ nwunye. Ngwu (2024) kwuru na ọ bụrụ na nne mụrụ naanị otu nwa nwoke, ọ lụghị nwaanyị tupu ọ nwụọ, nne ahụ na-aga alụtara nwa ya ahụ nwụrụ anwụ nwunye ka ọ bịa mụtawa nwa n'aha nwa ya nwoke ahụ nwụrụ anwụ ka ama ha ghara ichi ebe ọ bụ na di nwaanyị ahụ adịghịzị ndụ tinyere na nwaanyị akaala nka ọ pụghị ịmụtanwụ nwa ọzọ. Ya bụ na ọ bụ ụkọ nwa nwoke n'ezi na ụlọ ebe amụtaghị cha cha na ebe a mụtara ọtụtụ ụmụ nwaanyị so ebute ọlụlụ di n'ọnwụ.

Ihe ọzọkwa so ebute ya bụ ụkọ onye ga-elekọta ezi na ụlọ ebe mmadụ ebighi, ebe ndị nwee ụlọ bicha n'iro. Ha na-eje alụta nwaanyị ga na-elekọtara ha ezi na ụlọ ha, na-edebe ebe ahụ ọcha. O nwezie etu o siri mụtara ha nwa mma mma. Ọzọkwa bụ ọnọdụ ọjọọ nwaanyị hụtara onwe ya na be nna ya so eme ka ọ banye n'ụdị alụmalụ a. Ngwu (2024) kwukwara na mgbe nwaanyị alụghị di n'oge ma nọrọ be nna ya ahụ ata ahụhụ na ọ kaara nwaanyị dị etu ahụ mma na ọ lụụrụ ụdị di ahụ; zagodu aha onye nọzi na be di ma na-erijukwa afọ karịa ka ọ dị na be nna ya.Nke ọzọ bụ imejupụta ihe a gbatara n'afa. Ọ bụrụ na ihe a gbatara n'afa bụ na a ga-alụrụ onye

nwụrụ anwụ nwaanyị iji dozie ihe mebiri emebi; iwu bụ na a ga-lụrịrị nwunye ahụ, iji mezie ihe ahụ mebiri (Igbokwe, 2024).Ọ bụ ihe ndị a niile na-ebute alụmalụ n'ọnwụ.

**Mbunuche ke ise: Ịchọpụta uru ndị na-esi n'ụdị ọlụlụ a apụta**

E nwere nnukwu uru na-esi n'ụdị ọlụlụ a apụta.Ndị e nweghi nwa /ụmụ ọkachasị nwa nwoke na-enweta ya.Ndị nke mmadụ kọrọ na-esite n'ụzọ ahụ ekpoju ụmụ ụlọ.Nwata/ ụmụaka bụbu enwee nna abụrụzie ndị nwere nna, wee gbanahụ nkọcha nke mmekọrịta keọha (bastadị n'aha bekee). Ndị chọrọ onye nlekọta ezi na ụlọ na-enwetakwa, ọ bụladị onye anya ruru ala. Ụmụ nwaanyị atụghị uche ịlụzi di ọzọ na ndụ ha na-alụta ya. Ụmụ nwaanyị ndị ajọ ọnọdụ dị na be nna ha mere ka ha banye n'ụdị alụmalụ a, ọnọdụ ha na-agbanwe dịzịa mma. Ụmụ aka nne ha nwụnahụrụ ma ọ bụ ezi na ụlọ nne ha enweghi aka na-esite n'ụzọ ahụ banye n'ezi na ụlọ nwere ego ma ọ bụ gụrụ akwụkwọ ma bụrụkwa ndị nwere nne na nna.Ụmụ nwaanyị ụfọdụ ndị kpọrọ onwe ha 'agbara nwaanyị' achọghị ịnọ n'okpuru nwoke ọ bụla na-abanye n'ụdị ọlụlụ a. A na-abanye n'ụdị ọlụlụ a ma ọ bụrụ na afa kwuru na a ga-alụchịrị onye nwụrụ anwụ nwaanyị nke a ghaghị imezu.

**Mbunuche nke isii:** Ịchọpụta ọghọm dị ụdị alụmalụ a

Ọghọm na-esite n'ụdị alụm di na nwunye a apụta dị ọtụtụ.Ụmụ aka nwoke ma ụmụ aka nwaanyị ha anaghị-ebu otu ọbara n'ihi na ọ bụghị otu onye tụrụ ime ha. Nke a emezie akparamagwa ha abụchaghị otu, ụfọdụ enwe agwa ọma ebe agwa ụfọdụ na-ajọgbu onwe ya. Nke mere na ha na-amụta ndị ohi, ndị ama, ndị na-agba n'ezi, ndị na-ese igbo, awakpo ụmụ agbọghọ n'ike na-atụwa ha ime (Anikwe, 2024). Nchọcha a gosikwara na ọtụtụ n'ime ha anaghị enwe ezi mmekọrịta mmadụ na ibe ya maka ọnọdụ ha dị ala, ha anaghị enwe ọṅụ, afọ ojuju, na ezi agamnihu na ndụ ha Ogolla (2015). Ma nke a abụchaghị eziokwu. Ọ bụ mgbe ụfọdụ abanyeghị n'ezigbo ezi na ụlọ ka ebe ha sitere mma ka ọ na-adịwa etu ahụ. Ma ọ bụrụ ụmụ nwere chịọma nwere ezi nkwado sitere n'aka ụmụ nne onye nwụrụ anwụ, ha na-enwe ezigbo agamnihu ma gụkwa ezigbo akwụkwọ karịa ụfọdụ ha bịakwutere.Ọghọm ndị a bụkwanụ ihe enweghi nna na-ebute. Ọ bụladị ndị nna ha gara lụta nne ha na ndụ, gịnị na-abụ ọnọdụ ezi na ụlọ ahụ mgbe a chọrọ nwoke ahụ? Ma etu o sila dị, uru a na-erite n'ụdị ọlụlụ a karịrị ọghọm na-apụta na ya.

**Nchịkọta nchọcha na ihe achọpụtara.**

Site na nchọcha a, ndị nchọcha chọpụtara na alụm di na nwunye n'ọnwụ bụ alụmalụ ga-adịrịrị n'etiti otu onye dị ndụ na otu onye nwụrụ anwụ dị ka Ogolla (2015) siri kwado. Ha chọpụtara na ụdị alụmalụ a na-enye ụsa banyere ụkọ nwa nwoke, ebe mmadụ adighị mmadụ ejupụta. Nke a ka Anieke (2024) kwadoro na ọ bụ ka e nwe Ahamafula, Ọnọchie, Eziechila, Amaefula, Obiechila, na Obiefula. Aha ndị a na-ezipụta ihe kpatara e ji alụ nwunye n'ọnwụ n'ezi na ụlọ e nweghi nwa nwoke, n'ezinụlọ a mụrụ naanị ụmụ nwaanyị, n'ezi na ụlọ chọrọ onye ga na-elekọtara ha ụlọ n'ebe ndị nwe ụlọ bi n'iro, ebe e mejụtara ihe afa kwuru na ime ka ụmụ nwaanyị atụghị uche inwe di ha nwee ya. Ha chọpụtakwaziri na ọtụtụ uru na-esite n'ụdị alụmalụ a apụta.N'otu aka ahụkwa ka e siri nwee ọghọm.Ma etu o sila dị, uru na-apụta ya karịrị ọghọm ya.

**Mmechi**

Ụdị alụmalụ a n'ezie na-enye aka egbo mkpa enweghi nwa nwoke n'ezi na ụlọ ma ọ bụ kọrọ ụkọ ma na-emekwa ka e nwe mmụba dị ka Writer (2010) kwupụtara. Ụdị alụmalụ a na-egbo ọtụtụ mkpa mere o jiri malite na mba ofesi, nke mekwara ka ndị gọvment ha nyee ezi nkwado butere ọtụtụ mba n'ofesi ịnabata alụmalụ a nke ọma. Uru dị ya hirinne ma o nwekara mperi o riri nke e nwere ike iji maka uru ndị ahụ leghara ha anya.

**Ntụnye Aro**

Anyị na-atụ aro ka anabatasie ike ụdị alụmalụ a n'ihi na e nwere nnukwu uru na ya maka ndị nọ n'ụkọ nwa/ụmụ/onye nlekọta nakwa mkpa ndị ọzọ. Ka gọvment anyị wepụta iwu ga-akwadosi alụmalụ a ike dị ka gọvment mba Chaịna na Frans mere kazịrị mba ofesi ndị ozọ obi ha ji nabata ọlụlụ a; ọ bụ ihe ga-ezi ezi ebe ọ bụ na ọtụtụ ezi na ụlọ na-enweta ụsa nyee ọtụtụ mkpa ezi na ụlọ ha site n'alụmalụ n'ọnwụ ka a gharazie ịdị na-eleda ụdị ọlụlụ a anya dị ka e si eleda ya anya n'Obeleagụ Ụmana.

**Nrụmaka**

Abọnyị, A.N (2021). Ezi na ụlọ NdịIgbo. Na M. O. Ọmeje na G.T.Ọnwụka (ọhz) *Ntọala Nkụzi na Ọmụmụ Asụsụ Igbo.Nsukka:* Paschal Communications.

Beverly, J. A. (2004). *Spiritual Revelation and the Unification Church*. In Lewis James R; Peterson, Jasper Aagaard(ed) controversial New Religion. New York: Oxford University Press.

Encyclopedia (2015). Posthumus marriag https//en.wikipedia.org/wiki/posthumus *marriage*. ụbọchị mbutu Jan.12/1/25

Ezeuko, R. O. (2009). *Ewumewu*, *Omenala, Ofufe na Nkwenye ndị Igbo*. Onitsha: Mass Founders Publishers

Hakim, C. (1998). Developing Sociology for the 21stCPreference theory *British Journal of sociology 49 (1), 137-143*

Haralambos, M., Holborn, M., Chapman, S. & Moore, S. (2013). *Haralambos & Holborn Sociology. Themes and Perspectives.* UK: Harpers Collins Publishers.

Hastings, J. (1958). *Encyclopedia of Religion & Ethics* (ed). 4, New York

Holt, Rinehart & Winston (2003). *Holt Sociology*: *The study of human relationships*. Austin: Harcourt Educational Company

Ikels, C. (1985). Parental Perspectives on the Significance of Marriage. *Journal of Marriage and the family 47(2), 253-264*

Isikoff, M. (2020). Theological Uproar Unification Church. *en.wikipedia.org*.

Libèration, (2023). Qu cest-ce quel Marriage Posthume, que seulle President de Republique pent qutroriser.*en.wikipedia.org*

Nwachukwu, T.A. (1995). *Child Development* . Enugu: Sandax Nig. Ltd.

Ogolla, M. (2015). *Levirite Unions in both the Bible and African Culture, Covergence and Divergence.* The Catholic University of Eastern Africa: Kisumu Campus.

Oken, C. (2005). *Family Life: Education for Greater Tomorrow.* Enugu: CIDJAP Press.

Okeke, C.O. (2015). Belief in life After death in African Traditional Religion vis-à-istian Religion: A case study of central sub-cultural zone of Igboland. *International Journal of Research Development 9 (1),* 122-134.

Ugwoke, J. C. (2004). *Ụmụndụ Yesterday and Today*: *A Historical Anthropological Documentation of the People of Ụmụndụ*. Nsukka: Chuk Educational Publishers.

UNDP, (1995) . *A Platform for the Women of Nigeria: Action for Equality, Development and Peace*. Enugu: Olis Ventures.

Writers, S. (2010). *Hearse and Carriage*. https://wwwfrenchentree.com /living-in-france/culture/hearse-and-carriage/ ụbọchị mbutu 16/12/ 2024.

Whu.org pl/2015 /06/29 ụbọchị mbutu 16/12/2024
www.instagram.com

**Aha Ndị a Gbara Ajụjụ Ọnụ**

| **Aha** | **Afọ a gbara ajụjụ ọnụ** | **mgbamafọ** | **Aka Ọrụ** | **Ọnụmara** |
|---|---|---|---|---|
| Anieke, A.K | 2024 | 70 | Ezumike Ọrụ | Agụlụ Ụmana |
| Anikwe, B.N | 2024 | 55 | Ọrụ Oyibo | Ugwuakụlụ |
| Igbokwe, O.C | 2024 | 50 | Odoziakụ | Ụmụagbọ |
| Ngwu, M.M | 2024 | 56 | Odoziakụ | Amaji |
| Ugwu T.S. | 2024 | 64 | Ezumike Ọrụ | Evụazụ |